Ịtụlekọrịta Omenala Na Omume Ndị Igbo N'oge Gboo Na Kwa Oge Ugbua Nke

Magnus Aniago
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka magnus.aniago@unn.edu.ng +2347064977068

Thankgod Ikenegbu
Institute of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka ikenegbu.thankgod@unn.edu.ng +2348037726826

Ikpechukwu Ibenekwu
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka ogonna.okoli@unn.edu.ng +2348037786363
*Correspondence Author

Ụmị Edemede

Ederede a lebara anya omume na omenala ndị Igbo ka o si dị n'agbaochie na kwa agbaọhụụ. Ihe butere nke a bụ na omenala na omume ụmụ mmadụ na-agbanwe agbanwe nke mere ụfọdụ mmadụ ji enwe mgbagwoju anya nke bụ nke ochie na nke bụ nke ugbua. E lere anya na nchọpụta sitere na nnyocha a ga-eme ka ndị mmadụ ghọta nke ọma omenala na omume ndị Igbo nke bụ nke agbaochie, na nke dabara n'agbaọhụụ. Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee mee nnyocha ha. Ngwa nchọcha nyere aka n'ime nnyocha sitere n'ihe e dere n'akwụkwọ na kwa nke inteneeti. Ngwa nchọcha ọzọ nyere aka bụ ihe ndị nchọcha mabu n'onwe ha, na nke ha hụrụ n'anya. Nchọpụta ha gosiri na ụfọdụ omenala na omume ndị Igbo agbanweela. Ụfọdụ ka dịkwa ka e si eme ya mgbe ochie. Ihe so bute ọnọdụ a bụ ọbịbịa ụka bịara n'ala Igbo, agumakwụkwọ, na mmepe.

Ọkpụrụkpụ Okwu Ga: Omenala, Omume, Agbaochie, Agbaọhụụ, na Mgbanwe.

Mkpọlite

Ndị Igbo bụ ndị ama ama omenala ha juru eju bara abara. Omenala ha na-apụta ihe n'omume ha, ọrụ ha, ọnụ okwu ha, nri ha, akwa ha na-eyi, mmekọrịta ha na

ndị ọzọ, wdg. Ndị mmadụ akọwaala omenala n'ụzọ dị iche iche. Otu ihe pụtara ihe na nkọwa ndị a bụ na omenala bụ ka ndị si eme omume na ka ha si ebi ndụ ha.

Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenala ha. Omenala ndị ka e ji ama ha. Ogbonna (2018) kọwara omenaala dị ka ụzọ ebimụndụ nke e ji mara mba, agbụrụ, na obodo dị iche iche. Odo, Mbah, na Okey-Agbo kọwakwara na omenaala ndị bụ echiche na omume ha. N'aka nke ya, Eze (2021) kọwara omenaala ka usoro nkịtị ndị ọbụla si eme ihe n'usoro ebimụndụ n'agbụrụ ha. Asụsụ Igbo so n'otu omenala ndị Igbo jiri biri n'ihi na e kwuru na obodo ọbụla tufuru asụsụ ha etufuola ezigbo njirimara ha. Igbo so n'otu agbụrụ kacha dị ukwu na Naijiria. A ga-ahụ ha na steeti dị ka Anambra, Enugwu, Ebonyi, Abịa, Imo, Delta, Kogi, Rivers, na Benue. Ha bigasikwa n'ọtụtụ steeti bụ nke esoghi na steeti ndị a na-agụnye na steeti ndị dị n'ala Igbo. Ọ dị mkpa ka a mata na ụfọdụ n'ime steeti ndị a ndị Igbo bi na ha abughị naanị ha bụ agbụrụ nọ na steeti ndị ahụ. O nwere agbụrụ ndị ọzọ ya na ha nwere oke dị ka na Benue, Kogi, Delta, na Rivers.

Ndị Igbo bụ ndị e ji ọrụ ugbo na ịzụ ahịa mara. Ihe a bụ aka ọrụ ha tupu ndị ọcha abịa. Ndị ọcha bịara weta agumakwụkwọ nke ndị Igbo titara isi tinye n'ime ya n'ihi na ha bịara chọpụta uru dị n'ime ya. Ọtụtụ ụmụ Igbo agụọla akwụkwọ, nọrọ n'ogo ọkwa dị iche iche. Ọtụtụ omenaala Igbo efuola n'ihi mmekọrịta ha na ndị mba ọzọ, ma ha jisikwara ọtụtụ omenaala ha ike. O nwere omenaala ndị bụ ozuruigbo ọnụ, nwekwaa nke obodo ọbụla na-emere onwe ha, ọ bụrụ njirimara ha.

Ụfọdụ n'ime omenala ndị a bụ ọnatarachi ebe ụfọdụ bụ nke mmadụ ji aka ya guzobe n'ihi ihe ọ na-ahụ na ndụ. Ụfọdụ omenala bụkwa nke a mụtara amụta. Mba dị iche iche nwere omenala ha. Otu omenala nwere ike isi n'otu mba manye na mba ọzọ n'ihi na mmekọrịta na-adị n'etiti omenala bụ ka ndị si eme. O nwere omenala metutara ndị okenye dị ka ịwa ọjị na ịgọ ọfọ ma nwekwaa omenala gbasara ụmụaka. O nwekwara ihe ọ bụ naanị ndị chiri echichi nwere ike ime, dị ka, ikpuwe eze okpu, ichi ndị kwesiri echichi omenala dị iche iche. O nwere omume ndị omenala nabatara naanị ndị nwoke nwere ike ime, nwekwaa ndị nke bụ sọ ụmụ nwaanyị na-eme ha. Ụfọdụ omenala ndị a adịla anya e ji mewe ha, ma

ha ka nọgidekwara ruo ugbua. Ụfọdụ ndị ọzọ enweela mgbanwe n'ihi ihe ọhụụ na-apụtagasị n'elu ụwa. Nka na ụzụ emeela ka ọtụtụ omenala nweta mgbanwe n'ime ha.

Mgbanwe ndị a butere ihe mgbagwoju anya ebe ụfọdụ. Nke a na-eme na ụfọdụ ndị naesite n'ụdị ihe ha na-ahụ na mmemme ụfọdụ na-ajụ ma ihe a na-eme bụ omenelu ka ọ bụ omenala? Ajụjụ a na-egosi na o doghị ha anya ma ihe ahụ na-eme bụ ndị nke agbaochie ka agbaọhụụ, ka ọ bụ egwu a gwara ọgwa. N'ihi ihe ndị a, ka ndị nchọcha ji leba anya n'omenala omume ndị Igbo, ka ha mata ka ọ dị n'oge gboo ma ugbua. A tụrụ anya na nnyocha a ga-eme ka ndị mmadụ nwenwanye nghọta n'ihe gbasara ka omenala na omume ndị Igbo si dị mgbe ochie na ka ha si dị ugbua.

Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee mee nnyocha ha. Ngwa nchọcha ha ji rụ ọrụ sitere n'ihe e dere n'akwụkwọ na kwa inteneeti. Ngwa nchọcha ha ọzọ sitekwara n'ihe ha maara na kwa nke ha na-ahụ. Ọ bụ n'ime ihe ndị a, ka nchọpụta ha si pụta.

Omume Na Ndụ Ndị Igbo N'oge Gboo Na Ugbua

N'oge ochie, e ji akwa ọmụma na uwe mwụda ama ndị Igbo. Ụmụnwoke na-ama akwa, yie uwe mwụda, kpuru okpu omenala. Ndị chiri echichi nwere ike jiri akupe. Ndị chiri ọzọ na-agba owu ma ọ bụ eriri ọcha a na-akpọ akalị n'ụkwụ. A na-ede aha ọzọ nke ha kacha nwee mmasị na ya n'akupe ha. Otu ahụ ka ọ dịkwa ndị eze ndị Igbo. Oge ụfọdụ, ha etunye abụba ugo n'okpu ha kpu n'isi. Ndị nze na ndị chiri echichi dịgasị aghaa na-ekpu okpu mmee mmee. Ma ugbua, ihe ndị a adịchaghịkwa otu a ọ dị na mbụ n'ala Igbo. Nke mbụ, ndị na-echi ọzọ dị ole na ole ma e jiri ugbua tụnyere ka ọ dị na mbụ. Ọtụtụ ndị chiri ọzọ anaghị ekechazị ekike ọzọ ha mgbe dum dị ka ọ dị na mbụ. Ụfọdụ ndị ọzọ na-eyizi trawụza na sheeti. Naanị mgbe ha ji anọ n'ejiji ọzọ ha zuru oke bụ n'oge oriri ma ọ bụ mmemme. N'oge gboo, onye chiri ọzọ anaghị eri ihe n'ihu ndị mmadụ. Ebe, ọ na-eri ihe bụ ebe a na-akpọ 'mkpọ' nke dị na be ya. Ọ na-eri ihe, obere nwatakịrị ana-akụrụ ya ekwe. Onye chọta ya mgbe ahụ, onye ahụ echere ka o richaa nri. Ekwe ahụ a na-akụ kwụsị, onye ọbụla amara na onye ọzọ erichaala nri. Ugbua ihe agbanweela, ọtụtụ ndị ọzọ na-erizi nri ebe ndị ọzọ na-eri, ọ kachasị ebe a maghị onye ahụ.

N'oge gboo, ụmụnwaanyị ndị Igbo na-ama otu akwa, yiri ijigida n'ukwu. Oge ụfọdụ kwa, ha anaghị eyi akwa n'elu ahụ ha. Oge ọzọ kwa ha jiri otu akwa gbochie ukwu na obi ha. N'oge gboo, ụmụokorobịa na-eyi ijigida.

Ugbua, ihe agbanweela. Ọ na-esi ike ịhụ nwaanyị yi ijigida ugbua n'ala Igbo. Ọtụtụ ụmụokorobịa, na ndị okenye nwoke na-eyizi 'shirt' na 'trouser,' ebe ndị nwaanyị na-ama ukwu akwa abụọ ma yiri akwa n'elu. Ụfọdụ ndị nwaanyị na-eyikwa nke a na-akpọ 'skirt' na 'gown.' A naghị ahụkarịzị ijigida n'ekike ụmụ nwaanyị ndị Igbo.

N'ala Igbo, nwata pụta ụtụtụ, ọ na-ekele okenye. Ndị nwaanyị ntakịrị na ụmụ agbọghọbịa na-aza ụlọ na ezi, ma na-enyekwara nne ha aka isi nri. Ndị nwoke na-aga ọhịa nkụ, ma nyekwara nna ha aka n'ọrụ ugbo. Ụmụaka na-asọpụrụ ndị tọrọ ha. Ndị nwaanyị na-erubere di ha isi, ebe nwoke na-elekọta ezinụlọ ya, na-egosi ha Ịhụnanya. Ugbua, ihe agbanweela. Ọtụtụ ụmụaka na-azabu ụlọ, aga ọhịa nkụ, anaghị enwezi ohere eme nke a n'ihi agumakwụkwọ ma ọ bụ azụmahịa. Ụfọdụ ezi na ụlọ na-akpọbata onye enyemaka n'ụlọ ha, na-akwụ ya ụgwọ ka ọ na-arụ ọrụ ndị ahụ ụmụaka gaara ịdị na-arụ. Nke a mere na ọtụtụ ụmụaka ugbua amakwaghị arụ ọtụtụ ọrụ ụmụaka ndị gboo maara arụ. Ọtụtụ ezinụlọ na-agazi ụka ugbua nke pụtara na ọtụtụ ihe ndị Igbo na-eme naagbaso usoro ụka. Ife arụsị abakwaghị ụba dị ka o si dị n'oge gboo. N'ụbọchị ụka, a gaahụ ka igwe mmadụ na-enubanye n'ụlọ nzukọ dị iche iche maka ekpere.

Ndị Igbo bụ ndi e jiri ọrụ ugbo mara n'oge gboo, ma ugbu a, ọtụtụ n'ime ha na-arụzị ọrụ oyibo n'ihi na ha agụọla akwụkwọ. Ndị ọzọ na-azụ ahịa. Ụfọdụ na-ete mmanya, ụfọdụ bụ ndị ọrụ aka dị ka kapịnta, mesin, mekanik na ndị ọzọ. Ọtụtụ kwa ka na-arụ ọrụ ugbo. Ọ

bụ etu ndị Igbo si agba mbọ, na etu ha si arụsi ọrụ ike, na etu ha si ebi nwata ugwu na ọ dị abalị asatọ e ji mụọ ya, ka ụfọdụ ji ekwusi ike na ndị Igbo dị ka ha si n'agbụrụ ndị juu n'ihi na ọtụtụ ihe myiri dị n'etiti omume ha na nke ndị Juu.

E wepụ Igbo izugbe jikọrọ ndị Igbo ọnụ, ndị Igbo nwekwara olu mba dị iche iche. Ọnịcha nwere olu ha. Owere nwekwara olu nke ha. Udi nwere olumba. Nsuka nwere nke ha. Abakaleke, Aniọcha, Ụkwụanị, Ọka, Agụata, na ndị ọzọ nwechara olu ha.

N'agbanyeghị na e nwere olumba ndị a, ọtụtụ oge, a na-asụ Igbo izugbe, ndị Igbo dị iche iche na-aghọta ihe a na-asụ

Ọtụtụ ndị Igbo bi n'ugwu Awụsa. Ụfọdụ bi na Yoruba, Plateau, Benue, Nasarawa, w.d.g. A ga-ahụkwa ndị Igbo na mba ofesi dị iche iche dị ka: London, America, Britain, Malaysia, Togo, Ghana, Dubai na mba ndị ọzọ. Ụfọdụ ndị Igbo nọ n'obodo ndị a na-azụ ahịa, ebe ụfọdụ na-arụ ọrụ bekee. O nwekwara ndị na-arụ ọrụ n'ụlọ mmepụta ngwaahịa dị iche iche. Ọtụtụ n'ime ha na-enwe ọgbakọ nke na-egosipụta ha dị ka otu ụmụnne, na ndị na-asụ otu asụsụ. Ha na-esikwa n'ọgbakọ dị otua na-eweta mmepe n'ala Igbo site n'ịrụ ihe dị ka ụlọọgwụ maọbụ ileta ndị ọrịa ma nye ha ọgwụ ahụike n'efu.

N'oge ụfọdụ n'afọ, ụdị ọghakọ nọ na mba ọzọ na-ekpokọba mmemme ha si na ha egosipụta omenala, asụsụ, na ezi agwa ndị Igbo. Ụfọdụ n'ime mmemme a ka a naenwe ịgba egwu, iti mmọnwụ, na ịkụ ụdị egwu dị iche iche dị ka: akwụnechenyi, ikorodo, egwu agha ndị Ọhafịa, na iyi ụdị uwe dị iche iche e ji mara ndị Igbo.

Mmechi

Omenala na-agbanwe. Omume ndị mmadụ na-agbanwekwa agbanwe. Ndị Igbo bụ ndị nwere ụbara omenala. Nchọpụta nnyocha a gosiri na ọtụtụ ihe agbanweela n'omenala Igbo na kwa omume ndị Igbo. Ụfọdụ mgbanwe ndị a sitere na mgbanwe sochiri mbata ụka batara n'ala Igbo nke mere na ọtụtụ mmadụ hapụrụ ife arụsị fewe Chukwu nke ndị out Kristi. Nke a bịara metụta ọtụtụ ihe ha na-eme dị ka akwamozu na oriri ụfọdụ. Ihe ọbụla adabaghị na nkuzi ọgbaraọhụụ ndị out Kristi ka a na-ahapụ ma ọ bụ gbanwee. Ụfọdụ ọrụ maọbụ akaọrụ agbanweela n'ihi agumakwụkwọ na mmepe. Ụdịdị e ji arụ ụfọdụ ọrụ dị ka kapịnta maọbụ mesin nwere mgbanwe n'ihi ngwa agbaọhụụ e ji emegasị ya. Ụdị nwa ọrụ agbaọhụụ a na-enwe mere ka a na-arụpụta ụfọdụ n'ọrụ ndị a n'igwe karịa ka ọ dị na gboo.

Edensibịa

Eze, R.I. (2021). Nkuzi omenaala Igbo n'ime Omeja, M.O. Onwuka, G.T. Ntọala nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. (pg 153- 173). Nsukka: Paschal Communications).

Odo, C.O, Mbah, B.M & Okey-Agbo, J.N. (2021). Iti akwa ọnwụ n'ukwu na Nsụka. Nsukka Ogbonna, Anthony of Mgbagbu Owa. Interviewed 20-07-2018

Journal of African Languages and Linguistics. 16. 15-35. Retrieved 22-07-2017

Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. Nsukka Journal of Humanities. 27(2) 15-28.